# ERON NA KRAIST

**Ọpupu 28:1-5; Levitikọs 8:1-36; 9:7-24; Ndi Hibru 7:11-28; 8:1, 2**

**IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 84 - Nke NdỊ-okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "O site-kwa-ra na nka pu izọputachasi ndi nēsite n'aka Ya abiakute Chineke, ebe Ọ nādi ndu mgbe nile iriọ aririọ n'ihi ha" (Ndi Hibru 7:25).**

**I Edoro Eron na Ụmụ Ya Ndị kom Nsọ Ịnọ n'Ọkwá Ndị Nchụàjà**

1. JEHOVA nyere iwu ka ákwá uwe nsọ, nke bụ ụdị izu ókè nke ime mmụọ niile nke ndị nchụàjà, Ọpupu 28:1-5; Nkpughe 19:8
2. Àjà mmehie ahụ bụ ụdị ido nsọ nke Eron na ụmụ ya ndịkom maka ọnọdụ nke ndị nchụàjà, Levitikọs 8:1-17; 2 Ihe-Emere 5:11; Ndi Hibru 13:11-13
3. Àjà nsure-ọkụ ahụ bụ ụdị iché ha dịka Àjà nke ná-esi ìsìụtọ nye Jehova, Levitikọs 8:18-21; Ọpupu 29:18
4. Ebulu nke mmeju-aka na ụbọchị asaa ha nọ nime Ụlọikwuu bụ ụdị iji obi chụọ àjà zuru òkè maka ijéozi, Levitikọs 8:22-36; Ndi Hibru 7:28

**II Mbata nke Eron na Ụmụ Ya Ndị kom N'Ijéozi Ha Dị ka Ndị Nchụàjà**

1. Enyere Eron bụ́ onyeisi nchụàjà iwu ka ọ chụọ àjà n'ihi ya onweya na ndị Israel kwa, dịka àjà nke mkpuchi mmehie, Levitikọs 9:6, 7; Ndi Hibru 7:26, 27
2. Àjà ahụ niile nke ọ na-achụ, dịka enyere n'iwu bụ àjà nsure-ọkụ nke ụtụtụ, Levitikọs 9:8-21; (amaokwu 17); Ọpupu 29:38, 39; Ndi Hibru 7:27
3. Eron na-agọzi ndị Israel, ahụ̀kwara ebube JEHOVA; ọkụ wee daa; ndị mmadụ wee tie mkpu, Levitikọs 9:6, 22-24

**III Ejiri Ọnọdụ Onye-nchụàjà nke Eron Tụnyere Ọnọdụ Onye-nchụàjà nke Kraist**

1. Izu òkè esiteghị n'ọnọdụ ịbụ Onyenchụàjà nke Eron, kama o sitere n'Onyenchụàjà nke dị ka usoro Melkizedek si dị, Ndi Hibru 7:11; Abù-Ọma 110:4
2. Usoro ọhụụ nke ịbụ Onyenchụàjà malitere na Kraist Onye sitere n'ebo Juda, Ndi Hibru 7:12-14; Ndi Rom 1:3, 4
3. Emere Onyenchụàja, ọ bụghị dịka Iwu nke anụarụ si dị, kama dịka nke ndụ nke ná-adịghị agwụ agwụ si dị, Ndi Hibru 7:15-17, 23, 24, 1-3
4. Iwu ahụ emeghị ihe ọ bụla ka o zuo òkè, ma nnwebata nke olileanya ka mma mere nke a, Ndi Hibru 7:18, 19, 25; Ndi Rom 8:3, 4
5. Emere ka ịbụ Onyenchụàjà ọhụụ ahụ guzosie ike site n'ịñụ iyi, nke Chineke n'Onweya ñụrụ, Ndi Hibru 7:20-22; Abù Ọma 110:4

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

**Njikere Nke Ndị nchụàjà**

Ndụmọdụ niile nke enyere Moses banyere njikere nke Eron na ụmụ ya ndịkom maka ịbụ ndị nchụàjà ná-egosi ọnọdụ dị mkpà nke ndịchụàjà ndị Chineke doworo mejupụtara. Ọ bụ ọlụ dịrị ndịnchụàjà iguzo n'iru Chineke n'ihi ụmụ Israel. Uwe ha na-eyikwasị na-egosipụta ụdị mkwadobe nke ime mmụọ nke ndịnchụàjà ná-aghaghị inwe ka ha nwee ike ịlụ ọlụ ahụ. Àjà na onyinye dị iche iche nke ha na-achụ n'ebe ịchụàjà nke ọlà bụ ụdị Ọbara nke a na-aghaghị ịwụsa na àjà mkpuchi mmehie nke a na-aghaghị ịchụ maka ha onweha na ndịọzọ; onyinye ha niile na-egosi ụdị ịgụ ha ná ndị eziomume, odudo nsọ ha, iji obi-chụọ-àjà ha nye Chineke ihe niile ndịa ka Chineke mere ka ha dị ọbụná n'okpuru Iwu. Ebe ihe niile ndịa enweghị ike n'onweha ime ka ndị ná-abịaru nso zuo òkè (Ndi Hibru 10:1), ma n'ihi na ha bụ onyinyo nke ihe gaje ịbịa, òfùfè niile nke ụlọikwuu abụghị náání ụdị ihe zuru òkè kama ọbụ kwa àtụmàtụ zuru òkè maka mgbapụta nke ndị Israel ya na ijè ha n'iru ONYE-NWE-ANYỊ n'ịdịnsọ na n'eziomume ụbọchị niile nke ndụ ha, ka ha we burụ ihe nke aka Ya alaeze nke ndị nchụàjà na mba dị nsọ (Ọpupu 19:5, 6).

**Etere Eron Mmanụ Ịbụ Onyenchụàjà**

Etere Eron n'onweya mmanụ site na Chineke ịbụ Onyeisi nchụàjà; otù akụkụ n'uwe mgbokwasị ya bụ ihe mgbochiobi nke ikpé, ihe kachasị mma eji ọlàedo lụọ, nke anụnụ na nke purple, na scarlet, na nke ezi ákwà ọcha adụkọtara ọnụ, nke eji nkume dị oké ọnụahịa iri na abụọ dozie, nke edekwasịrị aha ebo iri na abụọ ahụ. Ma mgbe

Eron na-abanye n'iru Onyenweanyị ọ na-eburu aha iri na abụọ ahụ n'elu ubu ya abụọ (Ọpupu 28:12). Ma achọrọ n'aka Eron ihe karịrị igbokwasị ihe oyiyi a. Edewo ya n'Akwụkwọ Nsọ sị "I gētiye kwa n'ihe-igbochi-obi nke ikpé ahu Ìhè ahu na Izu-òkè ahu; ha gādi kwa n'elu obi Eron mgbe ọ nābà nime n'iru JEHOVA: Eron gēbu kwa ikpé nke umu Israel n'elu obi-ya n'iru JEHOVA mgbe dum" (Ọpupu 28:30).

**Ndahie nke Ndị nchụàjà na nke Ndị ahụ**

Ma ọtụtụ nime ndịnchụàjà erughị ọkpụkpọ dị elu nke akpọrọ ha, ndị ahụ kwa dahiere ndahie ọjọọ n'ihe gaara abụworị nke ha ọbụná n'okpuru Iwu. Ha gbalịsịrị ike idebe ihe a na-ahụ́ anya ka ha ra bụ ihe edere n'iwu Moses, ma ha eweghị eziokwu n'akụkụ niile dị nime mmadụ na ọ gbasara ha (Abù Ọma 51:6), n'ihi nke a okpukpé ha ghorọ okpukpé efù. Ọ bụ n'ihi ụdị okpukpé a nke náesiteghị n'obi ka JEHOVA jiri baara ha mba site n'ọnụ Aisaia Onye amụma, "N'ihi gini ka unu nāchurum ọtutu àjà-unu? afọ ejuwom n'àjà-nsure-ọku nile eji ebulu chu, na abuba umu-ehi emere ka ha ma abuba; ọzọ ọbara nke óké-ehi na nke umu-aturu na nke nkpi atọghm utọ. mgbe unu nābà ka ahu unu n'irum, onye chọworo nka n'aka unu, ka unu zọtọ ogigem nile? Unu ebubata-kwa-la onyinye-inata-iru-ọma ọzọ nke bú ihe-efu; ihe-nsure-ọku nke nēsi ìsì utọ, ihe-árú ka ọ burum; ọnwa-ọhu na ubọchi –izu-ike, ikpọ nkpọkọta, -- apugh inagide ajọ-omume na ubọchi ngbochi. Ọnwa ọhu nile na mgbe nile unu akara àkà, nkpuru-obim akpọwo ha asì: ha aghọwo ibu arọ n'arum, ike iburu ha agwuwom. Ọzọ, mgbe unu nāgbasa ọbu-aka unu abua, M'gēzonari unu anyam abua: ọbuná mgbe unu nēkpe ọtutu ekpere, M'gagh-adi nānu: aka unu juputara n'ọbara" (Aisaia 1:11-15). N'ụbọchị ndị ahụ, JEHOVA na-achọ n'aka ha ihe karịrị omume ịdị nsọ nke iru abụọ na ememe efu dịka ọ na-achọ n'aka anyị n'ụbọchị ndịa. O nyere iwu "Sanu aru, menu onwe-unu ka unu di ọcha; wezuganu ihe ọjọ nke omume-unu nile n'iru anyam abua, rapunu ime ihe ọjọ" (Aisaia 1:16).

Ntọala ijéozi nke ndịnchụàjà, uwe mara mma ákpàrà àkpà, àjà dị iche iche achụrụ n'elu ebe ịchụàjà, ihe nsureọkụ ná-esì ìsìụtọ nke ná-enwu n'ebe ịchụàjà nke ọlà, Ebe kachasị Nsọ nke dị n'àzụ́ ákwà mgbochi ebe onyeisi nchụàjà na-abànye otù ugbò n'arọ ná-eji ọbara óké ehi egburu egbu maka onweya na ọbara ewu maka ndịọzọ -- ihe niile ndịa ka enyere n'iwu moses; ma ha bụ náánị ụdị na onyinyo iheọma nke gaje ịbịa. Ma mgbe ụmụ Israel tụfuru ọhụ̀ nke Onye ahụ nke ụdị na onyinyo ndịa na-atụ̀ aka, ha tụfuru ihe niile. "Mgbe ọhù nādigh, ndi ala ahu adigh nchikọta" (Ilu 29:18).

**Ịbụ Onye-nchụ-àjà nke Kraist**

Dịka ihe dum banyere ijéozi nke ụlọikwuu na-atụ̀ Kraist aka, otú a kwa ka ndi amụma tụrụ Ya aka. Moses na-eburị amụma banyere Kraist dịka Onye amụma gaje ịbịa mgbe ọ gwara Ụmụ Israel sị "JEHOVA, bú Chineke-gi, gēme ka Onye-amuma, nke dika mu-onwem, biliere gi site n'etiti gi, site n'umu-nne-gi; Onye ahu ka unu gēge nti" (Deuteronomi 18:15). Ebe Ọ nọ dịka Eze n'oche eze Devid, ya ka Onye amụma Jeremaia na-atụ̀ kwa aka mgbe o dere sị, "Le, ubọchi nābia, (ọ bu ihe si n'ọnu JEHOVA puta), mgbe M'gēme ka Ihe opupú nke nēme ezi-omume biliere Devid, otù Eze gābu kwa eze, ọ gēnwe kwa uche, me ihe ekpere n'ikpé na ezi-omume n'ala nka" (Jeremaia 23:5). Onye dere Abù Ọma bụ́ Devid dekwara banyere ya dịka Onyeisi nchụàjà n'ụzọ pụrụ nnọọ iche: "JEHOVA añuwo iyi, Ọ gagh-echèghari kwa uche-Ya, Gi onwe-gi bu onye-nchu-àjà rue mgbe ebigh-ebi dika usoro Melkizedek si di" (Abù Ọma 110:4). Otú a ka ebuwororị amụma na Jisọs gaje ịbịa dịka **Onyeamụma, Onyenchụàjà na Eze**. Mgbe Ọ nọ n'ijéozi Ya nke arọ̀ atọ na ọ̀karà, mgbe Ọ kụziiri ndị mmadụ, Ọ na-emezu ọnọdụ Ya dịka Onyeamụma. Ná nrigo Ya na mbata Ya nime ụlọukwuu, ebe Ọ nọ na-arịọ arịrịọ n'ihi anyị ugbu a. Ma mgbe Ọ ga-abịaghachị ikpé mba niile ikpé, "JEHOVA gāghọ kwa eze elu-uwa nile" (Zekaraia 14:9).

**Onyenchụàjà Dị ka Usoro Melkizedek si dị**

Pọl bụ́ onyeozi akọwapụtaworo anyị ihe ọ pụtara bụ́ ime Kraist Onyeisi nchụàjà "dika usoro Melkizedek si di" (Ndi Hibru 7:1-28). Melkizedek bụ́ onyenchụàjà nke onye kachasị ihe niile elu mgbe ọ natasịrị otù ụzọ n'ụzọ iri site n'aka Abraham, bụ n'ezie onye nọrọ ọnọdụ usoro karịrị ọbụná nke nna nke okwukwe, ma karịa kwa nke ọnọdụ ndị nchụàjà Livai ndị sitere n'agbụrụ nke Abraham mejupụta "Ya mere ọ buru na ewere ọnọdu ndi-nchu-àjà ndi Livai me ka madu zue okè (n'ihi na ndi Israel anatawo iwu n'okpuru ya), nkpà gini ọzọ di ka onye-nchu-àjà di iche bilie dika usoro Melkizedek si di, ka aghara kwa igu ya dika usoro Eron si di?" (Ndi Hibru 7:11). Ndịnchụàjà nke usoro Eron ezughị òkè. Eron na agbụrụ ya bụ mmadụ ndị ga anwụ anwụ, ma bụrụ kwa náánị onyinyo nke Onyeisi Nchụàjà dị ukwuu "onye emeworo ọ bugh dika iwu nke ihe enyere n'iwu nye anu-aru si di, kama dika ike nke ndu nādigh agwu-agwu si di" (Ndi Hibru 7:16). N'ọbịbịa nke Ọgbụgba-ndụ Ọhụụ ya na ngabiga nke Ọgbụgba-ndụ Ochie (Ndi Hibru 8:13), Onyeisi Nchụàjà ukwu anyị karịkwara usoro Eron niile, nke ya na ụdị na onyinyo ya gabigaworo. Ya mere ọ dịghị kwa ohere fọdụụrụ nzukọ ọ bụla inwe onyenchụàjà dịka usoro nke mmadụ pụrụ inwu anwụ si dị ugbu a. Nzukọ ọ bụla na-eme ọnọdụ nye onyenchụàjà dịka iwu nke anụarụ si dị ná-eme otú ahụ imegide n'ụzọ pụtara ìhè òzízí nke Okwu Chineke. Kraist bụ Onyisi Nchụàjà anyị, onye "ebe Ọ biara ka ọ buru onye-isi-nchu-àjà nke ezi ihe nile gaje ịbia, O sitere n'ulo-ikwuu ahu nke ka uku na nke zuru òkè kari, ọ bugh nke eji aka me, nke isi-ya bu, ọ bugh nke òkìkè a, o sitegh kwa n'ọbara nke ewu na nke umu ehi, kama O sitere n'ọbara nke Ya onwe ya, ba n'ebe nsọ nání otù mgbe, ebe ọ chọputara ngbaputa ebigh-

ebi" (Ndi Hibru 9:11, 12). "Site-kwa-ra na nka pu izọputachasi ndi nēsite n'aka Ya abiakute Chineke, ebe Ọ nādi ndu mgbe nile iriọ aririọ n'ihi ha " (Ndi Hibru 7:25).

Otù ugbò n'arọ, n'Ụbọchị Mkpuchi-mmehie, onyeisi nchụàjà na-eji ọbara ewu, baa nime Ebe Nsọ kachasi Ebe Nsọ niile n'ihi ụmụ Israel, ndị nọ ná mpụta ná-efè Chineke ha òfùfè n'ihulata isi, mgbe ha na-echere nlaghachi nke onyeisi nchụàjà ahụ. Otú a kwa Onyeisi nchụàjà anyị abànyewo náánị otù ugbò n'Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile, ná-ejighị ọbara oké ehi na nke ewu, kama ọ bụ ọbara nke Ya Onweya dị óké ọnụahịa, ka Ọ rịọọrọ anyị arịrịọ, ebe anyị bụ́ ndị ná-eso ụzọ Ya, ji ọñụ nke olileanya ná-echere n'èzí maka nlọghachị Ya na nwa mgbe ntà. Ọ na-achọ ịrapụ ocheeze nke onyeogbugbò bịa n'ụwa ịkpọrọ Nwunye Ya nke ná-echere Ya.

### AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE

1. Òlee ihe ebu n'obi wee doo ndị nchụàjà nke Agba Ochie?
2. Gịnị bụ ọlụ ha banyere ijéozi nke ụlọikwuu?
3. Ogbugbu nke óké ehi maka odudo nsọ nke Eron ọ̀ bụ náánị ememe, ka ọ bụ na edoro ya nsọ?
4. Gịnị mere Chineke ji jụ ịnara ọtụtụ ịchụàjà ná mkpọkọta dị iche iche n'oge Aisaia?
5. Gịnị bụ̀ ọkwà atọ nke edoro Kraist imezu? Kọwaa otú esi mezuo ha.
6. N'ụzọ dị añaa na ólee mgbe ka Ọ bara n'ọkwa nke Onyeisi Nchụàjà?
7. Òlee ụzọ ịbụ onyenchụàjà nke Kraist si dị iche na nke Eron?
8. Oge Kraist ga-arapụ ocheeze nke ịbụ onye-ogbugbò Ya òlee ọkwa nke Ọ ga-ewere?